# NDỤ NKE ỊDỊNSỌ

**1 Pita 1:1-25; 2:1-25.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 452**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Dika Onye kpọrọ unu di nsọ, unu onwe-unu, ghọ-kwa-nu ndi di nsọ n'ibi-obi nile di iche iche, n'ihi na edewo ya n'akwukwọ nsọ, si, unu gādi nsọ; n'ihi na nsọ ka Mu onwem di" (1 Pita 1:15, 16).**

**I Ozi Nkasị obi niile nke Pita**

1. Anyị nwere olileanya dị ndụ site ná mbiliten'ọnwụ nke Jisọs Kraist siri ná ndị nwụrụanwụ bilite, 1 Pita 1:1-3; 1 Ndi Kọrint 15:20.
2. Ihenketa nke anaemerụghị kwa emerụ ka edebeworo nye anyị n'Eluigwe, I Pita 1:4, 5; Ndi Kọlọsi 1:5; 2 Timọti 4:8.
3. Okwukwe anyị, ọ bụ ezie na anaanwà ya, ọ dị óké ọnụahịa karị ọlaedo, 1 Pita 1:6-9; Job 23:10; Abù Ọma 66:10; Jemes 1:3.
4. Nzọpụta a bụ ihe dịkarịrị ndịamụma na ndị mmụọozi óké mkpa ịmata, 1 Pita 1:10-14; Ọpụpụ 25:18-20; Ndi Efesọs 3:9, 10.
5. Chineke dị nsọ, Anyị onweanyị dịka ụmụ Ya aghaghị inwe oyiyi Ya, 1 Pita 1:15-17; Levitikọs 11:44; Luk 1:74, 75; Ndị-Hibru 12:14.
6. Ejighị ihe apụrụ imebiemebi gbapụta anyị, 1 Pita 1:18-21; Ọlụ Ndi-ozi 20:28; Ndi Efesọs 1:7; Ndi-Hibru 9:12-14; Nkpughe 5:9.

**II Ndụmọdụ nke Pita**

1. Sitenu n'obi dị ọcha hụrịta onweunu n'anya sieike, 1 Pita 1:22-25; Ndi Rom 12:9, 10; 1 Timọti 1:5; 1 Jọn 3:18.
2. Tụpụnụ ihe ọjọọ na aghụghọ niile, ka agụụ mmiriara, nke Okwu Chineke náagụsi unu ike, 1 Pita 2:1-3, 11, 12; Matiu 18:3; 1 Ndi Kọrint 3:2; Ndị Efesọs 4:22-25; Ndị Kọlọsị 3:8; Ndi-Hibru 12:1; Jemes 1:21.
3. Kraist, "nkume di ndu," dị ókéọnụahịa nye ndị niile kwereekwe, ma ọ bụ "nkume isu-ngọngọ" nye ndị náenupụisi, 1 Pita 2:4-12; Ndi Efesọs 2:19-22.
4. Ndị Kraist niile gaerube isi n'okpuru ndị náachịisi, dịka uche Chineke si dị, 1 Pita 2: 13-17; Matiu 22:21; Ndị Rom 13:1.
5. Ndị náejeozi (orù) gaedo onweha n'okpuru ndị nwe ha, 1 Pita 2:18-23; Ndi Efesọs 6:5-8; Ndị Kọlọsi 3:22-25; 1 Timọti 6:1; Taitọs 2:9, 10.
6. Ha akpafuworị dịka atụrụ ma ugbu a ha alaghachikwutewo Onyeọ̀zụ̀zụ̀atụrụ ha, 1 Pita 2:24, 25; Aisaia 53:6; Ezikiel 34:6; Jọn 10:11-16.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Okwu Mmalite nke Pita**

Anaeche na Akwụkwọozi a bụ ihe edere ka oge ntà gasịrị mgbe egbusịrị Pọl n'ihi okwukwe ya. Nzukọ niile nke Pọl malitere naagafe "ọnwụnwa ọku di iche iche." Ọ bụ ihe dịka iri arọ atọ na ise mgbe Pentikọst gasịrị nzukọ ahụ nọ kwa náahụjuanya n'ihi mkpagbu siri ike. Nero, Onyeisi ndị Rom, eleghịanya n'ihi ka o wee kpuchie ọmụmaikpé ya, náebo NdịKraist ebubo na ọ bụ ha gbara obodo Rom ọkụ.

Pita naede Akwụkwọozi a iji gbaa ume ma wulie kwa okwukwe nke ndịnsọ ahụ. Eleghịanya ọ gaworị njèm nleta n'ebe nzukọ ndị ahụ akpọrọ aha ná mmalite nke Akwụkwọozi ahụ dị, ọtụtụ nime ndịnsọ ahụ ka ọ mataworo n'onweya; anyị pụkwara iche uche banyere ụdị obiụtọ nke ha nwere ịnata akwụkwọozi a site n'aka Pita. Ọ naezipu ya site n'aka Sailas otù nime ndị náenyere Pọl aka nime Oziọma. Ọ pụrụ ịbụ na Sailas naejégharị ná nzukọ ndịa ịkọrọ ha ihe banyere ọnwụ Pọl.

**Ịdị Mkpà nke Oziọma ahụ**

Pita chọrọ ka ndịnsọ ahụ mata mkpà nke nzọpụta ukwu a dị. Ọ rụtụrụaka otú ndịamụma si gbalisieike ileba anya nime ihe ndịa mgbe ha buru amụma banyere ahụhụ niile nke Kraist na ebube nke gaesochi ya. "Ndi ekpughere nye, na ọ bugh onweha, kama ọ bụ unu, ka ha ji ihe ndia jere ozi, bu ihe nke akọrọ unu ugbu a site n'ọnu ndi ahu ha ji ihe ndia jere ozi, bu ihe nke akọrọ unu ugbu a site n'ọnu ndi ahu ndi ziri unu oziọma nka nime Mọ Nsọ eziputara n'eluigwe; ihe ọ naagụ ndi-mo-ozi inyocha ha" (1 Pita 1:12). Ma eleghịanya ihe ọ naatụ aka bụ ndị cherubim ahụ nke guzoro ná nsọtụ abụọ nke Igbe Ọgbụgbandụ ahụ. Ha rulatara ala dịka agaasị na ha naachọsiike ileba anya nime ihe dị n'Igbe Ọgbụgbandụ ahụ.

Ọ bụrụ na ọ̀mụ́mụ́ nke Kraist n'anụarụ na óké ntọala nke nzọpụta Ya bụ ihe dị óké mkpa nye ndị mmụọozi nke Chineke, lee otú ọ gaesi dị anyị mkpà kaịa bú ndị Kraist bịara n'ihi ha, hú ahụhụ ma nwụọ náánị ka ewee zọpụta anyị.

"N'ihi nka kenu ihe-okike a n'úkwù nke uche-unu," dịnụ ike náaga kwanu n'iru ileanya ihe niile ahụ Chineke kweworo námkwà ná mkpughe nke Jisọs Kraist.

**Ịdị nsọ**

Ịdịnsọ bụ nnọọ ụdị nke Chineke. Ọ bụrụ na Chineke bụ Nna anyị, mgbe ahụ anyị onweanyị, bú ụmụ Ya, kwesịrị inwe oyiyi nke Nna anyị. Ụzọ niile nke ndụ nke OnyeKraist bụ ịdịnsọ. Ijè anyị, mkparịtaụka anyị, ndụ anyị, kwa ụbọchị aghaghị ịdịnsọ. N'amaokwu nke ikpeazụ nke isi mbụ nke 1 Pita, ewepụtara n'ịmamma niile ọ̀mụ́mụ́ ọhụụ, àtụ̀màátụ̀ nke mgbapụta na ịdịnsọ.

**Mgbapụta**

Ọlaọcha na ọlaedo bụ ihe abụọ dị óké ọnụahịa nke eji azụrịta ahịa, ma ọlaọcha na ọlaedo apụghị ịzụta mgbapụta anyị. O were ihe dị óké ọnụahịa karịa ọla dị icheiche nke dịkarịrị ókéọnụ.

N'okpuru iwu, ọ bụrụ na mmadụ ọ bụla apụghị ịkwụ ụgwọ o ji site n'ihe ndaba maọbụ ihe ọzọ, agaere ya, na ihe o nwere iji kwụghachi ụgwọ ahụ. Ma Iwu ahụ rọpụtara ụzọ nke mgbapụta nke apụrụ isite na ya zughachi onye ahụ. Nwanne ya nke nọ ya nso karị pụrụ ịkwụ ụgwọ ahụ wee mee kwa ka o nwere onweya.

Jisọs yikwasịrị onweYa ụdị nke anụarụ bú mmadụ, wee ghọọ nwanne anyị nwoke nke okenye, ka o wee nweeike ịgbapụta anyị nyeghachi Chineke. Nnenanna mbụ anyị rere anyị nye Setan. Jisọs, site n'Ọbara Ya dị ókéọnụahịa zụghachiri anyị. Lee ụdị ụgwọ ọ kwụrụ iji gbapụta anyị nye Chineke! Nke ahụ naegosi otú mkpụrụobi nke mmadụ ji bụrụ ihe dị ókéọnụahịa n'iru Chineke.

Ọtụtụ mmadụ naemeso mkpụrụobi ha dịka agaasị na ọ bụ ihe náabaghị urù. Otú ọ dị, ha naatụpụ ya, n'osimiri nke ndụ a náenwghị izuike, náenweghị ezi nleruanya ebe ha náerugharị, tutu rue mgbe ha ruru óké olùlù ahụ ebe olileanya náadịghị kwa nye ha. Setan emewo ka anya ha abụọ kpueìsì ma náagbalị kwa idebe ha n'ìsì. Oziọma naeweta ìhè. Ya mere anyị ji adọgbu onweanyị n'ọlụ iwere Oziọma ahụ jekwuru ụwa nke náala n'iyi.

**Obiọjọọ**

Omumeọjọọ niile ahụ nke akpọrọ aha bụ ndị náadakọtaghị n'ịhụn'anya nke ụmụnna ahụ nke Pita dererị ihe banyere ya n'akwụkwọ. Obiọjọọ bụ ihe mbụ akpọrọ aha, iheọjọọ ndịọzọ naasụpụta site na nke ahụ butere ya ụzọ. Site n'obiọjọọ ka aghụghọ si epupụta, site n'aghụghọ ka iruabụọ si apụta, site n'iruabụọ ka ekworo si apụta, site n'ekworo ka okwu ọjọọ si apụta. Ihe niile ndịa a ka anaeropu nime obi mgbe ịhụn'anya nke ụmụnna naachị nime obi mmadụ.

**Okwu ahụ Dị ọcha**

Ụmụ amụrụ ọhụụ naeto nkeọma mgbe eji mmiriara nke nne ha zụọ ha. Ndị azọpụtara ọhụụ naeto mgbe eji mmiriara nke Okwu Chineke nke aghụghọ náadịghị ya zụọ ha. Ọ naewlite okwukwe, ma okwukwe naeme ka mkpụrụobi ahụ guzosieike n'elu ntọala siri ike.

Apụrụ ikwu na enwebeghị oge ọ bụla n'akụkọ nke nzukọ Kraist mgbe anaemebi ntọala nke Oziọma dịka ọ dị n'ụbọchị ndịa. Ọ̀zíziụgha, ndụ nke onye ọ bụla mere otú masịrị ya, asọpụrụghị Okwu Chineke, anyaukwu nke ego na ike naeduba ụwa a n'ụzọ obosara ahụ nke ịlan'iyi.

Jisọs Kraist bụ Ntọala ahụ ebe nzukọ ahụ naeguzo. Akpọrọ Ya "nkume di ndu" bụrụ kwa isiiyi nke ndụ nye onye ọ bụla nke kwere.

**Irubeisi nye Iwu ahụ**

"Donu onwe-unu n'okpuru ibu-isi ọ bula madu debere n'ihi Onye-nwe-ayi" (1 Pita 2:13). Pọl naasị na ndị náachị isi bụ kwa ndị Chineke doworo. Ọ bụ ọlụ nke dịrị OnyeKraist irubeisi n'iwu niile nke obodo mgbe ha náemegideghị iwu Chineke. Anyị gaabụ ndị udo, ụmụamaala ndị náerubere iwu isi. Iwu bụ ihe emere iji táá ndị náemebi iwu ahụhụ.

**Idoonweonye N'okpuru Ịbụisi**

"Ndi nēje ozi nēdonu onwe-unu n'okpuru ndi nwe-unu" (1 Pita 2:18). N'oge ochie ịgbaorù bụ ihe anaahụ́ n'ebe niile; ọ bụ ezie na anyị adịghị agba kwa orù n'ala anyị taa, ma anyị naenwe nsogbu n'etiti ndị náewere mmadụ n'ọlụ na ndị ewere n'ọlụ. Ndụmọdụ ndịa mmetụtara ha.

Anyị gaesoro nzọụkwụ niile nke Jisọs onye, mgbe anaekwutọ Ya ọ dịghị ekwutọghachi ọzọ. Ọ dịghị ekele ọ bụla agaenye onye náata ahụhụ n'ihi njehie niile ya, ma mgbe mmadụ mere iheọma wee hụjue anya n'ihi ya, nke ahụ kwesịrị ekele.

**Atụrụ Kpafuruakpafu**

"N'ihi na unu nēhieri dika aturu; ma ugbu a unu chigharikutere Onye ahụ Onye nāzu nkpuru-obi-unu dika anāzu aturu, Onye nēlekọta kwa ha anya" (1 Pita 2:25). Ndị mmehie dị ka atụrụ hiereụzọ nime ọzara nke mmehie tutu rue mgbe Kraist, Onyeọ̀zụ̀zụ̀atụrụ ahụ dị ebere, kpọrọ ha ná mwagharị ha site n'izigara ha Oziọma ahụ. Ọ naedu ha rue ebe ịtanri kachasị mma ma náadọpụta ha mgbe ha nọ ná nsogbu.

**Pita**

Anyị naechè échìchè banyere Pita n'ụbọchị niile ọ bụ okorọbịa dịka óké dimkpà, gbasiriike, ogbuazụ nke náeme ngwangwa, ná ebi kwa ndụ dị ike. Anyị hụrụ ya mgbe Pentikọst gasịrị dịka onye dị ike, onye náenweghị egwù, onyeagha nke Kraist nwere obiike, jikeere ịpụkwuru onyeiro ahụ ma kwue okwu megide ndị ahụ kpọgidere eze nke Ebube n'obe.

N'oge agadi ya anyị naahụ́ ya site n'Akwụkwọozi ya niile dịka nna dị nrò, nwee kwa ịhụn'anya, site n'ịhun'anya nke Jisọs ọ naenwe mmetụta maka mkpụrụobi ndị ahụ furuefù tutu rue mgbe ọ dị ka Akwụkwọozi ya naekwu náánị ihe banyere ihe nke eluigwe mgbe ọ naagba ndịnsọ ahụ ume ka ha ghara ichè échìchè banyere ọnwụnwa ọkụ ahụ nke gaanwa ha dịka agaasị na ọ bụ ihe anaahụ́ghị mgbe ọ bụla naadakwasị ha. Ihe ndịa niile bụ nkume mgbakwasị ụkwụ nime okwukwe ha nke gaewetara ha ebube karịa n'oge mpụtaìhè nke Jisọs Kraist.

Agbamume na ndụmọdụ́ ya, ọ bụrụ na esoro ha, gaeme ka onye nsọ ọ bụla "buru onye náemeribiga okè" site na Jisọs onye hụrụ ha n'anya.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị ka ị chere kpaliri Pita ide Akwụkwọozi a?
2. Kwue ụfọdụ nime omume niile eji mara Pita?
3. Kọwaa otú anyị pụrụ isi dị nsọ ná ndụ a?
4. N'elu ntọala dị añaa ka ewukwasịrị Oziọma ahụ?
5. Gịnị mere eji kpọọ Jisọs "nkume di ndu"?
6. Gịnị bụ ọnụahịa nke mgbapụta anyị?
7. Òlee otú ha kwesịrị iji chee uche banyere ọnwụnwa ha niile?
8. N'okpuru Iwu ahụ, òlee ụzọ agaesi mee ka onye ereworoere n'ihi ụgwọ o ji nwere onweya?